**IHE EDEMEDE SI N'AKA APOSTOLIK PENITENTIARY MGBASARA 'INTERNAL FORUM' NA 'INVIOBILITY' NKE AKARA SACRAMENTI NKWUPUTA**

"Site n'iwere ahu, Jeso nwa nke chukwu ejikotago mmadu niile n' ụzọ pụrụ iche"[1], site na ngosi ya na okwu ya, ọ chawaputago nnukwu ugwu di na mmadu; n'onwe ya, n'ọnwụ na mbinite n'onwu ya, oweghachitago mmadu n'udi ya, site n'imeri ike ochichiri nke njo na ọnwụ; O gosigo mmekorita ya na nna ya n'ebe ndi niile kwere na ya nọ; site n'wụsa nke Mmụọ Nsọ, O doro ụka ya nsọ, nzuko nke ndị kwere ekwe, dịka ezigbo ahụ ya na onye na-esonye n'ike amụma ya, nke eze ya na nke ụkọchukwu ya, n'ihi ka ọ nọrọ na ụwa, dika mgbakwunye nke ọnụnọ ya na orụ ya, na-ezisara mmadu niile eziokwu ahụ n'oge ọ bụla, na-eduzi ha n'inweta ìhè Ya, na-eme ka emetụ ndụ ha aka ma gbanwee ya.

N'oge ugbua juputara na nsogbu n'ime akụkọ ije mmadụ, ọganihu nke Tekno-Science na-aga n'ihu karia mmuta maka ezi omume na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ọ bụ omenala na mmekọrịta mmadụ nke na-echezọ Chineke - ma ọ bụ kpoo ya asị - nke enweghị ike nke ichoputa ma ọ bụ ikwanye ugwu, na mpaghara niile na ọkwa niile, usoro iwu ịdị adị nke mmadụ na, site na ha, ndụ nke ụka.

"Ọ bụrụ na-agamnihu teknika na agamnihu ọzụzu nke mmuo adighi eto otu oge, agaghi akpo ya agamnihu, kama ọ bụ ihe egwu nyere mmadụ ma nyere ụwa"[2]. Ozokwa n'ozi nkwukọrịta nke onwe na nke mgbasa ozi na - eme ka "nka n'uzu" gafee oke, mana ha n'akpalite ikpo eziokwu asi, na ikwudosi ike na inyocha ya, echiche nke oke n'ihu Chineke na mmadụ; nke a na - eweta mgbasa dị egwu n'etiti ụzọ na ụkpụrụ ọma. Mbawanye nkwukọrịta nkea na-emegide eziokwu, na-emegidekwa Chineke na mmadụ; megidekwa Jeso Kristi, Chineke e mere mmadụ, ya na Nzukọ-nsọ, ọnụnọ ya n'ezie ya na ọnụnọ ya n'akuko.

N'ime etiti afọ ndị a na-agwuzi agwu ugbua, enwere ihe dika "aguu" banyere ozi, ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ na ha ga-echefu ntụkwasị obi ha na ịdị mma ha, ruo n'mgbe "nkwukorita uwa" ga-adi k'owere onodu ihe di ire, na-edozi ncheta ya ma na-agabigakwa nghọta ya. O di nwute na ndi uka, bu ndi bi n'ime uwa ma mgbe ufodi na eche echiche dika etu ndi uwa si eche, a naghi agupukwa ha n'iche echiche di etua, echiche ga-abu ihe di k'ihe nwuru anwu. Ozokwa, n'ime ndi kwere ekwe a na atufu otutu ike n'oge ebe n'ochicho "akuko" – m'obu "nkwuto"- nke puru ibu ihu nkwenye n'uche ndi mmadu, ma n'adanyeghi n'ebum n'uche ndi nzukọ Kristi. Ihe ndea n'ebute mkpọsa Oziọma ebe ihe niile e kere eke na mkpa ọrụ nzuko uka di. Anyị ga-eji obi umeala mata na, kwa ndị ụkọchukwu, ọbụlagodi n'ọkwa ndị isi kacha elu, enweghị mmachi site na omume a.

Ikpọ maka ikpe nke echiche nke ọha, dị ka ụlọ ikpe ikpeazụ, ọtụtụ mgbe, ụdị ozi niile, ọbụlagodi nkeonwe, ka ekpughere ma fukwa k'osi metụta ndụ nke ụka - ma ọ bụ nke kachasị

[1] VATICAN II ECUMENICAL COUNCIL, Pastoral Constitution on the Church in the Modern World, Gaudium et Spes (7 December 1965), n. 22.
[2] BENEDICT XVI, Encyclical Letter, *Spe salvi* (20 November 2007), n. 22.

ntakịrị - edubago ndi mmadu ikpe ikpe gidigidi, nke na-emetụta ihe iwu na-akwadoghị na ebutekwa mmebi enweghi mmezi banyere ezi afa ndi ozo, obughi naani mmadu obula igbachitere ihe nzuzo ha (cfr. can. 220 CIC). Okwu nke Pọl, n'akwukwo ozi odegara ndị Galeshia bara nnukwu uru n'akụkọ a: Maka n'akporo unu oku maka nnwere onwe umunna m. Unu ejikwala nnwere onwe a dika ohere nke anu aru; Ma unu ejikwala nnwere onwe a ka oburu ihe unu ga-eji na-atapịa onwe unu ma na-eripịa ibe unu, lezie anya ka unu ghara iripịa ibe unu (Gal 5: 13-15).

N'okwu a, isi-okwu sekpu nti bu ihe a na-akpo "ajo echiche adịghị mma" di k'opụtara ihe n'ebe ndi n'eje uka Katọlik no, nke ịdị adị ya di na-omenala ugbu a ya na ma na nghọta ohuru kwa nke mmekọrịta mmadụ na ibe ya, n'otu akụkụ, site n'esemokwu ahụ nwere ike iputa n'etiti otu ndị isi, ya na n'aka nke ọzọ, site na ụdị agwa ifele na nzuzu a na-eme na nso nso a, n'uzo di egwu site n'aka ụfọdụ ndị ụkọchukwu. Udi echiche a n'enweghi mgborogwu ebe obula na eme k'a na-echefu ọdịdị nke nzuko bu uka, nke ezigbo akụkọ ihe mere eme ya na ezigbo mmetụta bara uru o nweburu ma nwekwa ugbu a na ndụ ụmụ mmadụ, na mgbe ụfọdụ, ọ na-ekwu okwu n'ezighi ezi, na nzuko nso n'onwe ya, n'ụfọdụ ihe na-esonye ime ka usoro iwu ya dị na iwu obodo na steeti o bi na ya, dịka naanị ya bu "kwe nkwa nke izizi yana idozi".

N'iru ihe ndi a nile, Apostolik Penitenshiari achoputago mkpa o di na o kwesịrị ekwesị itinye ha aka, site na "Ihe Odide" a iji gosipụta mkpa ọ dị ma kwalite nghọta dị mma banyere echiche ndị ahụ, nke a na-ahụ na nkwukọrịta nzuko uka na mmekorita ibe na ibe, nke di k'obiara abia n'ebe ikpe echiche oha n'eze di ya na mgbe ufodu n'ebe usoro iwu obodo: akara mpiachi nke sakrament, ihe ime ntukwasi obi nzuzo di na mgbakwunye-sakrament, ihe nzuzo nke ndị ọrụ, njirisi na ezi oke nke nkwukọrịta ndị ọzọ.

**1. Akara Nzuzo nke Sakramenti nke Nkwuputa.**

Na nso nso a, mgbe ọ na-ekwu maka Sakrament nke nkwuputa, Nna dị nsọ, Poopu Francis chọrọ ịnabata akara mpiachi dị ezigbo mkpa na Sakrament: "Nkwuputa na mkpezi n'onwe ya bụ ihe dị mma nke bu na Nzuka Nso n'amam ihe ya, n'ike nke idi ocha ya na ikike iwu ya n'echekwaba mpiachi akara nzuzo nke sakrament nkwuputa. Ọ bụ ezie na ọ bụghị mgbe niile ka echiche nke agba ohuru n'aghọta ya, ma na ọ dị mkpa maka ịdị nsọ nke Sakrament na nnwere onwe nke akọ na uche nke onye biara nkwuputa; Onye o di mkpa na o kwesịrị ijide n'aka, n'oge ọ bụla, na mkparịta ụka ya na onye ukochukwu onwere oge sacrament nke nkwuputa a ga-adịgide na nzuzo nke ọrụ nkwuputa, n'etiti akọ na uche mmadụ nke meghere obi maka i nabata amara, na Chineke, na mgbakwunye nke onye nchụàjà"[3].

Ihe nzuzo a na-adịghị emerụ emerụ site na Nkwupụta sitere na Iwu nke Chineke kpughere ma gbanye mkpọrọgwụ n'ụdị sakrament, nke na-ekwenyeghị ihe ọ bụla n'ọnọdụ nke ụka, ma ọ bụnadi, na mpaghara obodo. N'ezie, n'ime emume nke Sakrament nke Nkwupụta, e nwere

[3] FRANCIS, Message to the participants in the 30th Course on the Internal Forum organized by the Apostolic Penitentiary (29 March 2019).

n’ezie, ihe dị ezigbo mkpa nke Ndị n’eso uzo Kristi ya na Nzukọ-nsọ: Jeso nwa nke Chukwu ghọrọ mmadụ iji zọpụta anyị ma kpebie itinye, “akurungwa dị mkpa” nke dị n’ọrụ nke nzọpụta a, Nzukọ-nsọ na, n’ime ya, ndị Ọ họọrọ, kpọọ, ma họpụta di ka ndị ozi Ya.

Iji gosipụta eziokwu a, Nzuko nso n’akụzi mgbe niile na ndị ụkọchukwu, n’emume nke sacrament niile, na-eme “*in persona Christi capitis*” (na aha Krịsti onye Isi): “Kristi na-enye anyị ohere iji” “Mu”, anyị na-ekwu n’ime “Mu” nke Kristi. Kristi ‘na-adọta anyị n’ime onwe ya’ ma kwe ka anyị dịrị n’otu. O na ejiko anyi onu site na “Mu” ya. Yabụ, site n’ikpa agwa di out a, eziokwu ahụ di na ọ “dọtara” anyị n’ebe onwe ya nọ ka “Mu” anyị na nke ya buru otu, ọ n’achọpụta na ndịgide, ọpụiche nke ọkwa ibu ukochukwu nke obu. Yabụ, ọ bụ ụkọchukwu ahụ pụrụ iche mgbe niile. N’agbanyeghị nke ahụ, ọ na a nọ nso n’ụwa n’ihi na ọ “na-adọta” anyị n’ebe ya onwe ya nọ were n’eweputa n’oge ugbua ọrụ ukochukwu ya. Nke a pụtara na “a dọtara” anyị na Chukwu nke Kristi. Ọ bụ njikọ a na “Mu” nke ya bu nke a na emejuputa n’okwu nke ido-nsọ. Ọzọkwa, na “Mu agbaghara gị”, n’ihi na ọ dịghị onye ọ bụla n’ime anyị nwere ike ịgbaghara mmehie, yabu ọ bụ “Mu” nke Kristi, nke Chukwu, onye ọ bụ naanị ya nwere ike ịgbaghara njo”[4]

Onye obula chegharịrị ma jiri obi umeala gakwuru onye Ukochukwu kwupụta mmehie ya, si otu a na-agba akaebe banyere ihe omimi dị ukwuu gbasara i were arụ na ikike dị elu nke Nzukọ-nsọ na nke ọkwa i bụ onye Ukochukwu a hotara a hota, site na nke ụmụ mmadu si ezute Kristi ahụ bilitere n’onwụ, metụkwara ndụ ha site n’ike nke sakrament - yabụ n’ezie - Ọ zọpụtara ha. N’ihi nke a, nchekwa nke akara nzuzo nke Sakrament di n’aka Ukochukwu, nke na ọ bụrụ na ọ ga adị mkpa ịwụfu ọbara (*usque ad sanuinis effesionem*) nke na-egosi “iguzosi ike n’ihe” n’ebe onye mere nkwuputa nọ, mana ọtụtụ ihe ndị ọzọ: akaebe dị mkpa - “Ogbugbu di ka mata” - nke emere n’idi iche na nzoputa nke uwa niile nke Kristi na ndi otu Nzuko-nso uka[5].

Ihe gbasara akara nzuzo ka a egosigoro ugbu a ma hazikwa ịchịkwa ya na cann. 983-984 na 1388, §1 nke Koodu Nzuko-nso Katolik di na odida anyanwu, ya na kwa can. 1456 nke Usoro Ọwụwa Anyanwụ nke Iwu Koodu Kanon, yana site na no. 1467 di na Katechism nke Nzuko-nso Katọlik, anyị anaghi agụ na Nzuko-nso “guzobere”, site n’ike nke aka ya, kama na ọ “na-ekwuwapụta” - ya bụ, na a na-ahụta dị ka eziokwu a na-apụghị ịkọwa akọwa, nke ewepụtara kpọmkwem site n’ịdị nsọ nke Sakrament nke Kristi guzobere – n’iwu ji onye ụkọchukwu ọ bụla nke nụrụ nkwupụta mmehie, n’okpuru nnukwu ihe mgbu, idebe ihe nzuzo zuru oke banyere mmehie nke onye chegharịrị na mmehie ya kwuputara.

Iwu machibidoro kpam kpam onye nkwupụta n’udi obula, ịrara nye onye biara nkwuputa n’okwu onu ma ọ bụ n’ụzọ ọ bụla (Can. 983, §1 CIC), ya na kwa, iwu machibidoro onye nkwupụta kpam kpam iji ihe ọmụma ọ bụla enwetara site na nkwupụta ya n’ebe o ga emegide onye biara nkwuputa o bunadi ma mgbe a n’enweghi ihe egwu obula nke nkpughe maka ihe gbasara onye biara nkwuputa (Can. 984, § 1 CIC). Nkuzi Ozizi nyekwara aka ịkọwapụta

[4] BENEDICT XVI, Meeting of priests (10 June 2010).
[5] Cfr. CONGREGATION FOR THE DOCTRINE OF THE FAITH, Declaration *Dominus Iesus*, about the uniqueness and salvific universality of Jesus Christ and the Church (6 August 2000).

ọdịnaya bu akara nzuzo sakrament, nke gụnyere “mmehie niile nke onye cheghariri echeghari ma mmehie nke ndi ọzọ a maara site na nkwupụta nke onye mmehie, m’obu njo ogbugbu ma njọ di mgbaghara, bunadi onjo emere na nzuzo m’obu nke putara ihe, nke e mere k’onye na anu nkwuputa mara maka itorapu ahuhu diri ha site na ihe omimi nke Sakrament”[6]. Ya mere akara nzuzo nke sacrament na-akwanyere ihe nile onye biara nkwuputa kwuru n’onu ya ugwu, obunadi n’onye biara nkwuputa enweteghi ntorapu nke njo ya n’ihi ajo nkwuputa: ma oburugodu na nkwuputa a abughi ezi nkwuputa, agbanyeghị na aghaghi ịdịgide I kwu okwu obula banyere ihe a nuru na nkwuputa.

Onye Ukochukwu n’amata n’ezie banyere mmehie nke onye chegharịrị bia nkwuputa ọ bụghị dịka mmadụ, kama dịka Chukwu si mara ya - “*non-homo, sed ut Deus*”[7] nke mere na “ọ amaghị” ihe a gwara ya na nkwupụta, nihi na o geghị ntị dịka mmadụ, kama, n’omume, n’Aha Chineke. Ukochukwu n’anu nkwupụta nwere ike, “ị ñu iyi”, na-enweghị it’uche obula nke akọ na uche mmadụ, na “a maghị” ihe ọ maara naanị dị ka onye ozi Chukwu. N’ihi odidi ya di nkpa, akara nzuzo sacrament n’abia jikoo onye Ukochukwu “n’ime onwe ya”, rue n’imachibido n’icheta nkwuputa mmadu n’obi ya n’onweghi ihe kpatara ya, ya na ikpagbu n’iwepu ncheta n’obi ya echiche banyere ihe niile mmadu kwuru na nkwuputa. Ihe nzuzo ndi ozo si kwa na akara nzuzo sakaramenti a gunyere, ndi nile n’uzo obula matare maka mmehie nke nkwupụta a di ka: “Onye ntụgharị okwu, ọ bụrụ na enwere ya, na ndị ọzọ niile, si n’ụzọ ọ bụla mara banyere mmehie site na nkwupụta ka iwu i debe akara nzuzo a ji” (Can. 983, §2 CIC).

Amachibidoro kpam kpam site na akara nzuzo nke sacramenti a bụ iji gbochie ndi ụkọchukwu ikwu ihe banyere ọnọdụ nke nkwupụta bunadi n’etiti onye jere nkwuputa, na-abụghị n’oge m’obu I’ime nkwuputa nke sacrament ahu, “belụsọ ma ọ bụrụ na akọwapụtara ya nke oma, ọ kachasị mma ma ọ bụrụ na arịọghị ya, nkwenye site n’aka onye jere ya bu nkwuputa”[8]. Ya mere n’ihe akara nzuzo a karịrị ike nke onye chegharịrị jere nkwuputa, nke emere na ngwa ngwa emere emume sacramenti nke nkwuputa a, enweghị ike i’naputa onye Ukochukwu nuru nkwuputa a n’ọrụ nke nzuzo a, n'ihi na ọrụ a si n’aka Chineke.

Nchekwa nke akara nzuzo Sakramenti nke nkwuputa na ịdị nsọ nke nkwupụta agaghị enwe ike mejupụta ụdị nnabata nke ihe ọjọọ, kama nke ahụ, ha na-anọchi anya naanị ezigbo ọgwụ mgbochi ihe ọjọọ nke na-eyi mmadụ na ụwa niile egwu; enwere ike i’banye n’ihunanya nke Chineke, ka ihunanya nke a mee mmadu k’onwe ncheghari na mgbanwe, imuta izi ezi na ndu mmadu. Na-etiti mmehie na-ejikọta mmejọ, iwu machiri Ukochukwu i jụ onye chegharịrị biara nkwuputa, dị ka ọnọdụ maka ị torapụ onye biara nkwuputa na njo ya, iwu i gaa n’ihu okaikpe ọha iji kwuputa mmehie ya, site na ebumnuche sitere n’okike, na nk’etinyere na usoro iwu, kpatara na e kwuru si “*Nemo tenetur se detergere*” (“O nweghị onye kwesịrị ikpughe”). N’otu aka-ahụ, ọ dị n’ụdị nke Sakramenti nke nkwuputa, dịka ọnọdụ maka mkwudo ya, nchegharị sitere n’obi, yana mkpebi siri ike imezi na ịghara ime mmehie ọzọ. Ọ

[6] V. DE PAOLIS – D. CITO, *Sanctions in the Church. Commentary on the Code of Canon Law, Book VI,* Vatican City, Urbaniana University Press, 2000, p. 345.
[7] THOMAS AQUINAS, *Summa Theologiae*, 11, 1, ad 2.
[8] JOHN PAUL II, *Message to the Apostolic Penitentiary*, 12 March 1994, n. 4.

bụrụ na onye ncheghariị biara nkwuputa bu onye ahụ n’ata-ahuhu maka mmehie nke ndị ọzọ, ọ ga-abụ nlekọta nke onye Ukochukwu n’anu nkwupụta ịkụziri ya ihe ndị ruuru ya, ya na ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ di n’ụzọ iwu ga-eji kọwa ma kwuputa nke bu eziokwu na obodo ya na Nzuko-nso maka i kpoku na i nweta ikpe ziri ezi.

Omume ndọrọ ndọrọ ọchịchị ọ bụla ma ọ bụ mmebe iwu ọ bụla iji “manye” mpụ nke mmebi akara nzuzo nke Sakramenti nke nkwuputa ga-abụ iwu agaghi anabata megide “nnwere onwe nke Nzuko-nso” (*Libertas Ecclesiae*), nke na-anaghị enweta ikike ya site na Steeti ọ bụla, kama na Chineke; ọ ga-abụkwa imebi nnwere onwe nke okpukpe relijon, na iwu guzoro nnwere onwe ọ bụla ọzọ, gụnyere nnwere onwe nke akọ na uche nke ụmụ amaala ọ bụla, ma ndị Ukochukwu ma ndị nkwupute. Imebi akara nzuzo nke nkwuputa a ga imebi ogbenye nke nọ na ime onye mmehie.

**2. Mgbakwunye Ọrụ Ọgbako Ime nke Sakramenti nke Nkwuputa na Mgbaziri nke ime Mmuo**

Ihe a na-akpọ usoro ikpe – na ikpe nke obi nke Ọrụ ọgbakọ ime bụ kwa nke “Mgbakwunye ọrụ Ọgbako ime nke Sakramenti”, zoro ezo oge niile, ma pụtara ihe na sacramenti nke nkwuputa. N’ezie, n’ime ya ka Nzukọ-nsọ na-arụ ọrụ ya na ike nzọpụta ya: ọ bụghị ịgbaghara mmehie, kama inye onyinye amara, imebi ihe iwu gbochiri (dịka censho) na ime ihe niile banyere ido mkpụrụ obi asọ, ya mere, ọnọdụ dị mma, nkeonwe na nke obula kwesiri ntukwasi obi.
Mgbaziri nke ime mmụọ so kwa na mgbakwunye Ọrụ ọgbakọ me nke sakramenti, n’ebe onye out Kristi na a tukwasa uzọ nke ncheghari na odudo-nso ya na-aka otu onye Ukochukwu, e doro-nso, ma obu onye na echighi echichi na otu Nzuko-nso.

Onye Ukochukwu n’arụ ọrụ a site na ezi ọru i nochite anya Kristi, nke enyere ya site na nkwado nke Sakramenti nke echim Ukochukwu bu nke a ga rujuputa site njikọta onu nke idi n’otu site n’isi ndi ochichi nke nzukọ, site na ihe akpọrọ “ọrụ atọ”: Ọrụ ịkụzi, ido nsọ na ịchị achị, ya na nke ndi otu Kristi ndi ozo site na Ukochukwu nke ime mmirichukwu ha ya na onyinye nke Mụọ Nsọ.

Na ntụzi ime mmụọ, onye kwere na Chineke na-emeghere onye isi ndu nke mmuo ya ihe nzuzo nke akọ na uche ya, ka a duzie ya ma kwado ya na ige ntị na imezu uche Chineke. Yabụ, na-akuku nke a, na-arịọ ka ụfọdụ ihe e zoro ezo “n’èzí”, dabere na ọdịnaya nke mkparịta ụka nke mmụọ na inweta ikike n’aka onye ọ bụla ịkwanyere nzuzo nke onwe ya ùgwù (Can. 220 CIC). N’otu uzo ihe na-eme n’ime Sakramenti nke nkwupụta, onye ndu ime mmụọ na - ewere akụkụ ufodu nke akọ na uche nke onye otu Kristi site na mmekọrịta “pụrụ iche” ya na Kristi, nke sitere na ịdị nsọ nke ndụ ya na - ọ bụrụ ụkọchukwu - site na echichi Ukochukwu dị nsọ n’onwe ya nyere.

Iji gbaa akaebe banyere ihe akara nzuzo pụrụ iche a tụbara na mgbaziri nke ime mmụọ, anyị ga-enyocha mmachibido, nke iwu kwadoro, nke n’abụghị naanị ịju maka echiche obi nke Ukochukwu n’edo nkwupụta, kamakwa nke onye Mgbaziri nke ime mmụọ, n’oge nnabata

nke Odas di asọ ma ọ bụ, nke ozo, maka i chupu ndi n'akwado maka i chi ukochukwu, site na seminarị (cfr. can. 240, §2 CIC; can. 339, §2 CCEO). N'otu aka ahụ, nkuzi nke *Sanctorum Mater* na 2007, gbasara akparam agwa nke ndi diocesi ma ọ bụ eparachaia nke ndi nnyocha nke ime mmụọ nke e ji eme ndị di Nso, "A gaghị anabata ndị oru ha bu i do nkwuputa ma obu ndi Mgbaziri nke ime mmuo n'igba akaebe banyere ihe obula ha ma n'ogu oru ha gbasara onye odibo Kristi n'etiti oru nke ime mmuo nke n'abughi oge nkwuputa"[9]. Ihe nzuzo dị mkpa ga-abụ di ka "chi si kee ya" maka onye nduzi nke mmụọ, ọ ga-amụta ọtụtụ ihe ya na "ga-akwali" tupu ihe omimi nke nnwere onwe nke onye otu Kristi, onye sitere na ya, chigharịkwuru Kristi; onye nduzi nke mmụọ ga-aghọta oru di n'ozi nan du nke e dunyere ya naanị n'ihu Chineke, ije ozi nke ebube Ya, maka ọdịmma nke mmadụ, nke Nzukọ-nsọ na nzọpụta nke ụwa niile.

### 3. Ihe nzuzo na ókè ndị ọzọ kwesịrị ekwesị maka nkwukọrịta

Nke okike di iche ma atụnyere ya akara nzuzo nke sakramenti na mgbakwunye-sakramenti, gunyere ihe nzuzo ndi edobere n'okpuru nke akara nzuzo a, a na akpo "ihe nzuzo nke ndi oru", nke ufodu udi mmadu n'enweta, na etiti ndi obodo na kwa ndi Nzuko-nso, site na ọfịs pụrụ iche nke ndị a ma ọ bụ nke obodo na-arụ. Ihe nzuzo ndị a, dika iwu di ka chi si kee ya, bu ihe a ga-edebe na nzuzo, "belụsọ" dịka ekwuru na Katkizim nke Nzuko-nso Katọlik n. 2491 "n'ọnọdụ ndị pụrụ iche ebe idobere ihe nzuzo na-akpata nnukwu nsogbu n'ebe onye wetere ya no, mobu n'ebe onye natara ya no, mobu n'ebe onye ozo, ebe a ga-ezere nnukwu ihe ọjọọ naanị site n'ịgbasa eziokwu".

Ihe puru iche banyere nzuzo bu "ihe nzuzo Pontifika", nke jidesiri ike iyi ya na i ruputa n'uju oru aka ufodu ndi Oru n'igba odibo na Apostolik See. Ọ bụrụ na iyi nzuzo na-ejikọkarị "n'ihu Chineke" onye na-ekwupụta ya, iyi ahụ metụtara "ihe nzuzo Pontifika" nwere dịka ngwucha ya "ebumnuche" ya kachasị mma maka ọha na eze nke Nzuko-nso na "nzọpụta nke mkpụrụ obi". Ọ na-eche na ịdị mma a chọrọ onwe ya maka "nzọpụta nke mkpụrụ obi", gụnyere iji ozi na-adanyeghị n'okpuru akara ahụ, enwere ike ịkọwa ya n'ụzọ kwesịrị ekwesị site n'aka Apostolik See, nke dị n'aka Pontiff nke Rome, onye Kristi mebere ma dobe ya dị ka onye mbu na onye ntọala nke ịdị n'otu nke okwukwe na mmekọrịta ya na nzukọ Kristi niile[10].

Banyere akụkụ ndị ọzọ nke nkwukọrịta, ma nke ọha na nke nzuzo, n'ụdị ya na ngosipụta ya, amamihe nke a egosila na ihe dị mkpa bụ "iwu ola edo" (Golden rule) nke Dinwenu anyi kwuru ma dekọkwa ya na Oziọma Luk: Meere ndị ọzọ ihe ịchọrọ ka ha mee gị" (Lc 6:31). N'ụzọ nke a, na nkwukọrịta nke eziokwu dịka ịgbachi nkịtị banyere ya, mgbe ndị na-enweghị ikike ịmara ya, ha ga-emerịrị ndụ ha dịka iwu nke ịhụnanya nke nwanne, nke nwere n'ihu ya ịdị mma na nchekwa nke ndị ọzọ, nkwanye ùgwù maka ndụ onwe na ọdịmma mmadu niile[11].

---

[9] Cfr. CONGREGATION OF THE CAUSES OF SAINTS, *Sanctorum Mater*, Instructions for carrying out diocesan and eparchial investigations into the causes of saints (17 May 2007), art. 101, §2.
[10] Cfr. VATICAN II ECUMENICAL COUNCIL, Dogmatic Constitution on the Church, *Lumen Gentium* (21 November 1964), n. 18.
[11] Cfr. *Catechism of the Catholic Church*, n. 2489.

Kedu ọrụ dị mkpa ikwusa eziokwu, nke sitere na ọrụ ebere na-ekewapụta, nke gunyere "ntụzi aka nke nwanne", n'ụdị ọkwa ya dị iche iche, nke Dinwenu anyi Jeso Kristi kuziri. Ọ ka bụ ebe ntụle aka, ebe ọ dị mkpa yana dịka ọnọdụ siri ike kwere ma chọọ: "Ọ bụrụ na nwanne gị emehie megide gị, gaa kọọrọ ya ihe ọjọọ dị n'etiti gị na naanị ya. Ọ bụrụ na ọ na-ege gị ntị, i kpaghachitela nwanne gị n'ebe onwe gi no. Ọ bụrụ na ọ geghị ntị, kpụrụ otu onye ma ọ bụ abụọ, ka e wee mee ka eziokwu niile guzosie ike n'okwu nke ndị akaebe abụọ ma ọ bụ atọ. Ọ bụrụ na o kweghị ege ha ntị, gwa ọgbakọ otu Nzuko-nso" (Mt 18:15) -17).

N'oge nkwukọrịta okwu, nke ozi niile n'abia "repia ọkụ" na ya, ọ dịkwa nwute, bụrụkwa akụkụ nke ndụ ndị mmadụ, ọ dị mkpa ka a mụtagharia ike nke okwu ahụ, ike nke mmezi ya, ya na kwa ike mbibi nke onwekwara; anyị ga-akpachara anya ka akara nzuzo nke sacramenti ghara i bu ihe onye obula nwere ike i mebi ya i tukwasa obi di nay a n'imejuputa oru nke Nzuko-nso na-eji ekworo kpuchie ya, na-enwe eziokwu na naanị njikọta nke ndị mmadụ dịka mgbaru ọsọ ya.

Anyị na-akpọku mmụọ nsọ, maka Nzukọ-nso a niile, maka ịhụnanya siri ike nke eziokwu n'akụkụ niile na ọnọdụ niile nke ndụ; ikike nke ịnọgide na-ezisa ozi oma niile n'ihe niile e kere eke, iji chekwaba ma gbachitere mbubata nke akara nzuzo Sakramenti nke nkwuputa na njikere maka i were ndu nye maka nchekwaba ya bu akara, yana akọ na amamihe dị mkpa iji zere iji ihe ọ bụla na ozi na - ezighi ezi nke ozi kwesịrị i di na nzuzo, mmekọrịta ọha na eze na Uka, nke a nwere ike ịbụ mmejọ megide ugwu nke mmadụ na Eziokwu n'onwe ya, nke bụ Kristi, Dinwenu na onye isi nke Nzuko-nso.

Na njide nke ekpuchita nke akara nzuzo nke sacramenti nke nkwuputa ya na ezi uche dị mkpa jikọrọ ya na mgbakwunye sacramenti nke nkwuputa na ọrụ minista ndị ọzọ na-enwupụta njikọta dị n'etiti akụkụ Pita na Maria nke Nzuko-nso.

Ya na Peter, mkpulu mma nke Kristi [Nzuko] na-echekwa ozi nke "ike nke mkpịsị ugodi" ruo mgbe ọgwụgwụ nke uwa; dika Maria dikalisili nso, Nzuko-nso a debere "ihe ndia nile n'obi ya" (Lk 2: 51b), ebe omara na ìhè ahụ na-amata n'ime mmadụ niile, na ebe dị nsọ n'etiti akọ na uche onwe ya na Chukwu, aghaghi idobe ya ma gbachitere ya.

Pontiff Kasị Elu Francis, na 21 June 2019, kwadoro Nkwupụta ndịa ugbu a wee nye iwu ka e bipụta ya.

E nyere ya na Rome, site n'oche nke Apostolik Penitenshiari, June 29, n'afọ Onyenwe anyị 2019, na Solemiti nke ndi Apostul Pita na Pol di aso.

Mauro Card. Piacenza
Major Penitentiary

Mons. Krzysztof Nykiel
Regent